# Okwu Mmalite

**Ejike Eze, Ph.D.**

*Onyenhiwe na Onyendezi Ukwu*

*Ụwandịigbo Academy Inc.*

Ọrụ cheere asụrụ Igbo aka mgba karịrị akarị, mana ndị dị njikere ịrụ ya bụ ọrụ ehighi nne. Kemgbe òtú Society for Promotion of Igbo Language Culture (SPILC) ghasara, o nwekwaghị òtú kwudosiri ike n'ịwalite asụsụ na omenala Igbo. Ọ bụ ya mere e jiri hiwe Ụwandịigbo n'Ọgọọsịtị 21, 2000. Na mmalite ya, ebumnuche onye nhiwe Ụwandịigbo, bụ Ọkammụta Ejike Eze, bụ ịhụ na asụsụ Igbo weere ọnọdụ ya n'ọgbakọ asụsụ mba ụwa ndị ọzọ. Ọ bụ nke a mere Ọkammụta Eze, onye nke gụrụ ma kuzie asụsụ Igbo na mahadum, jiri họpụta ndị maara ihe ekwe na-akụ n'asụsụ na agụmagụ Igbo ka ha soro na ndị ga-edu otu ọhụrụ a gawa n'ihu.

Ụfọdụ ndị sonyere ozigbo Ụwandiigbo malitere bụ mmadụ dịka Ọkammụta M. O. Ene, Ọkammụta Iwu Ikwubuzo, Ọkammụta Chiji Akọma, Ọkaikpe Ike Anyanike, Maazị Chinyeaka Okoli, Odoziakụ Carolyn Watson na Odoziakụ Franches Pritchette (Nkiru), onye larala mmụọ. Na mbido ya, ndị Ụwandịigbo ji ozi ikuku imeelu ezigara onwe ha ozi. Onyeisi Ụwandịigbo ji ozi ikuku ahụ were na-akuzi Igbo n'efu. Mgbe ngwaese Whatsapp pụtara, mkparịtaụka n'Ụwandiigbo cheziri ihu na ya bụ ngwa ọbịaraọhụrụ.

A sị na awayị tọwa ụtọ, a bachawanyekwuo ya ji. N'afọ 2020, Ụwandịigbo mere nzukọ zuzugbe izizi site na ngwa Zoom. Nzukọ a bụ mbụ a na-eji naanị asụsụ Igbo mee ngụpụta ihe nchọcha n'udiri ọgbakọ ukwu a. Ndị ọkammụta iri atọ na ise si Mahadum na mba ụwa dị iche

iche sonyere n'ọgbakọ ahụ. Jọnalụ a bụ mbipụta ụfọdụ edemede nke ndị ọkammụta gụpụtara n'ọgbakọ ahụ. Ebe ọ bụ na edemede a gụpụtara karịrị akarị ibipụta n'otu akwụkwọ, anyị họọrọ edemede ndị nchọcha dị na ha kara wepụta mbunuche Ụwandịigbo. Anyị ji aka na edemede ndị a ga-amasị ndị nkuzi, umụakwụkwọ nakwa ndị niile uche ha dị n'ịkwalite asụsụ Igbo.

Ọ bụ eziokwu na nke a bụ mbipụta mbụ nke jọnalụ a, ọ gaghị abụ nke ikpe azụ. Anyị na-atụ anya na mbịpụta nke abụọ ga-esochi nke mbụ tupụ afọ 2022 abịa na njedebe.

Ekele anyị na-agara ndị Villanova University, tụmadụ ngalaba Global Interdisciplinary Studies, bụ ndị na-akwado mbipụta jọnalụ a nakwa ọgbakọ Ụwandịigbo kwa afọ. Anyị na-ekelekwa ndị nchịkọta na ndị nhazi Ụwandịigbo nakwa ndị niile so anyị agba ya bụ mbọ ka asụsụ Igbo na-aga n'ihu. Ọ bụrụ na ị chọrọ isonyere anyị, jee n'ama www.uwandịigbo.org denye aha gị maọbụ zitere anyị ozi na admin@uwandiigbo.org. Igbo ga-adị, gbaa mgbọrọgwụ.